Mamị Wọta Na Nkwenye Na Ekperechi Ndị Igbo

Nke

Magnus Aniago
Institute of African Studies
University Of Nigeria magnus.aniago@unn.edu.ng
+2347064977068

Anthony Ogbonna
Mother of Ghrist Specialist Hospital, Enugu anthonyogbonna95@gmail.com
+2348037046179

Thankgod Ikenegbu
Institute of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka thankgod.ikenegbu@unn.edu.ng
+2348037726826
*Correspondence author

Ụmị Edemede

Ederede lebara anya na nkwenye ndỊ Igbo maka Mamị Wọta, bụ nke ọtụtụ mmadụ kwenyere n'ime ya. Ọ dịkwa mkpa ka o doo anya na Ụfọdụ ndị ọzọ weere ya ka akụkọ ifo. O nwekwara ndị amaghị ihe ha ga-ekwu maka ya. Ndị nchọcha lebara anya n'ọnọdụ a iji mee ka o dokwuo anya ihe gbasara Mamị Wọta na nkwenye ndị Igbo n'ime ya. Ha gbadoro ụkwụ n'ajụjụ ọnụ, ihe a gụtara n'akwụkwọ, ihe e dere na inteneeti, na ihe ha onwe ha maara maka Mamị Wọta were dee ederede a. Nchọpụta ha gosiri na ọtụtụ mmadụ kwenyesiri ike n'ihe gbasara Mamị Wọta. Ha kwenyekwara na o nwere ike iwetara mmadụ akụ na ụba na ihe ọma ndị ọzọ dị iche iche. O nwekwara ike ibutere mmadụ ọghọm maọbụ ọrịa ma onye gahie ụzọ ya maọbụ nupu isi n'ihe ọ gwara ya. A na-achụnyekwara ya aja n'ụzọ dị iche iche ka obi were dị ya mma. Nchọpụta zipụtakwara na ụfọdụ mmadụ ejirila anya ha abụọ hụ Mamị Wọta dị ka ha si kwuo n'ajụjụ ọnụ a gbara ha. Ụfọdụ n'ime ha kọwakwara ya dị ka onye nwere ike iwetara mmadụ ihe nke ụwa ma onye nabata ya na ya ịrụkọ ọrụ.

Ọkpụrụkpụokwu Gasị: Mamị Wọta, Mmiri, aja, onyinye, na mmadụ.

Mkpọlite

Ndị Igbo bụ ndị bi na ndịda ọwụwa anyanwụ Naijiria. Ha bụ ndị nwere omenala gbara mgbọrọgwụ n'ofufe na ikpere chi. Tupu ndị ọcha abịa, onye ọbụla na-agagharị na gburugburu ala Igbo ga-ahụ ọtụtụ okwu arụsị nke bụ akara na-egosi na ha bụ ndị na-efe

ofufe ma kwetekwa na o nwere ihe karịrị mmadụ. Ọdị ukwu a karịrị mmadụ ka ha naakpọ Chukwu. Ha kwenyekwara na e nwere ụmụ obere chi ndị ọzọ sikwuazịrị ike naenyere ya aka. ndị Igbo kwetakwara na mmọọ dị iche iche nke ụfọdụ n'ime ha na-ebi na mmiri. Ndị mmọọ ụfọdụ bi n'ala mmọọ, ebe ndị ụfọdụ na-awaghari n'elu ụwa na-akpa ike. Ụfọdụ na ndị mmọọ ndị a na-ebi n'oke osisi, n'ugwu, na nnukwu ọhịa. Ndị Igbo kwenyekwara na o nwere ndị mmọọ na-ebi n'ikuku, na ndị nke na-ebi n'elu. Ha nwere ụzọ dị iche iche ha si agakwu ụmụ chi na ndị mmọọ ndị a.

Ihe banyere Mamị Wọta na-agbagwoju ọtụtụ ndị Igbo anya ruo taa nke kpatara na ọtụtụ na-ajụ ajụjụ, ka ọ dị ka ọ dịghị? Ọ bụ nke a mere ndị nchọcha jiri kpebie itinyekwu anya n'ihe gbasara ọnọdụ a mee nnyocha maka ya. Ọ bụ usoro sọvee (survey) ka ndị nchọcha gbaso mee nnyocha ha. Ngwa nchọcha ha jiri mee nnyocha sitere n'ajụjụ ọnụ, akwụkwọ e biri ebi, ihe e dere dị n'inteneeti (internet), na ihe ndị nchọcha ji anya ha hụ ma na-anụ na ntị. A tụrụ anya na nchọpụta sitere na nnyocha a ga-enyere ọtụtụ mmadụ aka ighọtami ihe banyere Mamị Wọta.

Mamị Wọta Na Ndụ Ndị Igbo

Obodo ọbụla nwere chi nke ha na-akpọrọ isi ala maọbụ arụsị nke ha na-akpọku. N'otu aka ahụ kwa, ezinụlọ nwere chi aka mkpa ha na-efe, tinyere nke ọha. Mmadụ dị iche iche nwekwara chi aka ha nke ha na ha na-emekọrịta n'otu n'otu maka mkpa na ọnọdụ ha. Ndị Igbo na-eguzobekwa ebe ofufe n'ebe dị iche iche dị ka n'oke ọhịa, n'okpuru maọbụ n'ukwu nnukwu osisi. Ebe ndị ọzọ ha ji emere ebe ofufe bụ n'elu ugwu, na kwa na mmiri dị iche iche, ma nke na-asọ asọ na nke dọrọ otu ebe, dị ka okpuru. Ndị Igbo ejighị ihe gbasara mmiri egwu egwu, n'ihi na ha kwenyere na ndụ na ọnwụ; ahụike na ọrịa; ihe ọma na ihe ọjọọ nwere ike isi na mmiri pụta. Nke ọbụla na-eme na-agbado ụkwụ ka e si kpaso mmiri agwa, na omume mmadụ jiri nọrọ n'elu n'ụwa.

Otu onye ọcha a kpọrọ Sabine Jell-Bahlsen dere akwụkwọ maka mamị wọta nke o biputara n'afọ 2014. O sitere n'ileba anya n'ihe gbasara mamị wọta, wee tuchaa arụsị a na-akpọ 'ogbuide' na mmiri dị n'Oguta. Jell-Bahlson kọwara n'ime akwụkwọ ahụ na mamị wọta bụ bekee ijabo (pidgin} nke nwere ụzọ dị iche iche e ji eme nsupe ya. Ndị ode akwụkwọ ndị ọzọ kwukwara out ihe ahụ. Ụfọdụ na nsupe ndị a bụ, Mami Water, Mami Wata, Mammywater, mami Wota, dgz., (Jell-Bahlsen (2014, facebook.com, Instagram.com, google.com, Wikipedia.org, dgz.) Jell-Bahlsen, Wintrob, na ndị mmadụ ndị ọzọ kọwara mamị wọta dị ka mmọọ mmiri nke gbasara n'ọtụtụ obodo n'Ọdịda

Anyanwụ Afrika, Etiti Afrika, karibia (Caribbean), tinyekwara ala Igbo. Mmọọ ndị a nwere ahaaka a na-akpọ ya n'obodo dị iche iche. `Flora Nwapa dere maka 'Uhamiri Oguta

(Oguta lake goddess) n'akwụkwọ ọ kpọrọ Efuru na Idu (Jell-Bahlsen, 2014). Chinwe Achebe kpọrọ Mamị Wọta, Nne Mmiri, nke nwere aha dị iche iche n'obodo dị iche iche.

Jell-Bahlsen kwuru na ọ bụ ọbịbịa ndị ọcha mere ndị Igbo ji kpọwa Nne Mmiri ndị a Mamị Wọta ka ndị ọcha mara na ha nwere ihe dị otu a na nkwenye ha. N'ụzọ ọzọ, Mamị Wọta bụ ntụgharị bekee igosi nne nke mmiri. N'agbanyeghị na ndị ọcha ekwetachaghị ihe banyere Nne Mmiri, ndi obodo kwenyere na ya jidesiri ya ike. Ọ bụ nke a mere na n'ebe 1920, mgbe onyonyoo e sere nwaanyị nwere ogologo ntutu na agwọ koro ya n'olu batara Naijiria, ndị mmadụ hụtara nke a ozigbo ka ihe gosipụtara ihe ahụ ha kwere na ya. Ha bara ya Mamị Wọta ka ndị abụghị ndị Igbo soro ghọta ihe a na-ekwu (JellBahlsen, 2014, Wikipedia.org, facebok.com).

Jell-Bahlsen kwuru na ọ dighị onye nwere ike inye ezi nkọwa ebe onyonyo a si bịa. Ndị na-eme ihe ọmụmụ akụkọ eserese na-akọwa na ọ dị ka ihe obibi si Germany (German print) nke a kpọrọ 'ọjide agwọ' (snake charmer). Ihe obibi eserese a ka e kwuru na o nwere ike bụrụ ihe a na-ebuga obodo India, nke mechara rute Naijiria ebe 1926. Ndị mmadụ bidoro nwee mmasị n'ihe onyonyoo ndị a, na-eseghari ya n'ụdị dị iche iche n'ihi na o gosipụtara nke ọma nkwenye ha maka mmọọ mmiri.

Ọnọdụ Mamị Wọta

A sị na nkụ dị na mba na-eghere mba nri. Nku onye nwere ka o ji ana aka. Otu ahụ ka o si bụrụ na obodo na-enwekarị Mamị Wọta maọbụ Nne Mmiri bụ obodo ndị ahụ mmiri digasị na be ha maọbụ ndị bigasị n'akụkụ mmiri. Ụfọdụ na-akpọ ha ndị mba mmiri. Obodo ndị a na-emekarị ihe ofufe na mmiri. Na be ha ka ihe gbasara Mamị Wọta na-aka apụta ihe. Ha na-achụrụ Mamị Wọta aja na mmiri. I bịa n'akụkụ mmiri, ị ga-ahụ ọtụtụ ihe dị iche iche wụsara n'akụkụ mmiri e jiri chụrụ Mamị Wọta na mmọọ ndị ọzọ nọgasị na mmiri aja. Ụfọdụ n'ihe ndị a ha ji achụrụ mamị wọta aja bụ: ego, ihe oriri, ihe ọṅụṅụ, ugegbe, pawụda, dgz.

Jell-Bahlsen kọwara n'akwụkwọ ya na Mamị Wọta abụghị naanị ihe ọghọm ka ọ naebute dị ka ndị ụfọdụ si eche, ha na-ewetakwa ihe ọma na ịgwọ ọrịa. Akụkọ kọrọ ka nwunye nwoke a kpọrọ Tarra si nweta mgbake n'ọnọdụ ọrịa ya ite n'aka Mamị Wọta nke Terra onye ọkụ azụ zutere na mmiri (YouTube: google.com). Out nwoke tiri egwu a naakpọ Viktọ Ụwaifọ kọrọ ka Mamị Wọta siri bịakwute ya n'ikpere osimiri Lagos (Lagos Bar Beach), hukwasa ma kpughere ya mmọọ nke iti egwu. O mechara jiri ọnọdụ ihe ahụ mere tie egwu ọ kpọrọ Mamị Wọta. N'ime egwu ahụ, ọ kpọrọ onwe ya, 'guitar boy,' ya bụ 'nwa ọkpọụbọ.' ọ sị n'egwu ahụ:

Guitar Boy! Guitar Boy! If you see Mamị Water e

> Never never you run away. Never you run away Victor Uwaifo!
> (Guitar Boy. YouTube: google.com)

N'egwu a, ọ na-ekwu ka onye na-enye nwa ọkpọ ụbọ ahụ ndụmọdụ ka ọ ghara ịgba ọsọ ma ọ hụ Mamị Wọta. Ọ bụrụ na e tuchee egwu a na okwu dị n'ime ya, mmadụ nwere ike inyoputa ihe abụọ dị ka ọ pụtara ihe n'ime ya. Nke mbụ na-egosi na Mamị Wọta nwere ike bụrụ ihe na-eyi egwu. Ọ bụ nke a mere o ji sị ya agbala ọsọ ma ọ hụ Mamị Wọta. Nke a abụọ bụrụ na o nwere ike nwee ihe ọma na-esi n'aka Mamị Wọta apụta nke ọ chọrọ ka nwa ọkpọ ụbọ ahụ rite. Echiche a dabara na nkọwa Jell-Bahlsen (2014), ebe o kwuru na ọtụtụ ndị dibịa mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ n'ala Igbo kwetara na Mamị Wọta naenye aka mgbe a na-agwọ mmadụ isi mgbaka, ma na-emekwa ka ọnọdụ ahụ menata. Jell-Bahlsen kọwakwara na n'akụkụ ala Igbo nille, ndị dibịa ji eserese Mamị Wọta egosi ebe ha nọ eleta ndị mmadụ anya maka ọrịa ha. Nke a ka ha ji agbasa ozi ụdị onyinye ịgwọ ọrịa ha nwere.

Mmechi

Mamị Wọta maọbụ Nne Mmiri bụ ihe siri ike na nkwenye ndị Igbo. Ndị Igbo ghọtara ya ka oke mmọọ nke bụ nwaanyị bi n'ime mmiri. Ọ na-enwekwa ike esi na mmiri ahụ apụta kpaa ike maọbụ nyere mmadụ aka. Ọ bụ mmọọ mara oke mma nke mere ndị Igbo ji asị na mmadụ dị ka Mamị Wọta ma ọ bụrụ na onye ahụ amaa oke mma. N'ọdịnala Igbo, a naghị ekwe ka nwata naanị ya gaa na mmiri dị anya ka ọ ghara izu Mamị Wọta na mmiri nke nwere ike ibutere ya nsogbu maọbụ ahụọkụ. Ọ bụladị ndị okenye, a naghị ahapụ otu onye ka o jee na mmiri dị otu a na nderi abalị maọbụ n'etiti ehihie. Ihe butere nke a bụ na a na-atụ ụjọ na onye dị otu a nwere ike izu Mamị Wọta n'ụzọ maọbụ na mmiri ahụ nke nwere ike ibutere ya ọghọm. A na-eme ụdị njem a, a na-adị abụọ maọbụ karịa n'ihi na e lere anya na ndị mmọọ na-asọ igwe mmadụ nsọ.

Ndị mmadụ kwenyekwara na ụfọdụ ụmụ mmọọ ndị a, dị ka Mamị Wọta na-agagharị, ha na ndị mmadụ ana-emekọrịta n'oge ehihie maọbụ n'anyasị, ma ndị mmadụ agaghị ama na ha bụ mmọọ maọbụ Mamị Wọta. Ọtụtụ akụkọ akọọla ka ụfọdụ ụmụokorobịa siri bute agbọghọbịa n'ụzọ n'amaghị na ọ bụ Mamị Wọta ka ha butere. Ụfọdụ n'ime ha naemechaa minahụ ha maọbụ mebiere ụmụokorobịa ndị a ihe. Ndị mmadụ kwetara na Mamị Wọta ndị a pụtachara zute ndị mmadụ na-emechaa wụba n'ime mmiri ebe ha bi.

Edensibịa

Africa Unveiled. Mami Wata's Curse. YouTube: google.com. Retrieved 03-01-2017

Igbonweeze and odinala Igbo. Mammy Water. Instagram.com. Retrieved 03-01-2017 Jell-Bahlsen, S. (2014). Mammy Water in Igbo Culture: Ogbuide of Oguta Lake. Enugu: Ezu Books

Mami Wata- The Mermaid Goddess. YouTube: google.com. Retrieved 29-12-2016

Mammy Water. google.com. Retrieved 29-12-2016

Mami Wata. Wikipedia.org. Retrieved 30-12-2016

Mami Wata. Facebook.com. Retrieved 30-12-2016

Tales of the Savannah. The Legend of the Mami Wata. YouTube: google.com. Retrieved 15-12-2016